# IKPÉ NKE IKPÈAZỤ̀ AHỤ NA NNAPỤTA ESI N’IJIPT NAPỤTA

## Ọpupu 11:1-10; 12:1-51

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 56 - Nke Ndị okenye

**AMAOKWU IBUN’ISI: “O we me ka ndi-Ya ji obi-utọ puta, me kwa ndi Ọ rọputaworo ka ha ji iti-nkpu-ọñu puta” (Abù Ọma 105:43).**

**I Ịdọakanántị Bu Ụzọ Tupu Ikpé nke Ikpèazụ̀**

1. Ikpé nke ikpéazụ̀ ahụ gaje ịbakwasị Ijipt niile nke gaabụ na mgbe o mesịrị, Fero gaekwe ka Israel laa, Ọpupu 11:1; 3:19, 20
2. Agwara Ụmụ Israel ka ha riọ n’aka ndị Ijipt ụgwọọlụ ụfọdụ n’ihi ọtụtụ arọ ha fere ha òfùfè, Ọpupu 11:2, 3; 3:21, 22
3. Ikpé ikpéazụ̀ bụ iwere ndụ ụmụ niile eburu ụzọ mụọ n’Ijipt, mmadụ na anụmanụ, Ọpupu 11:4-6, 8; 4:22, 23
4. Chineke gaekpuchi Israel site n’ikpé ahụ, Ọpupu 11:7; 8:22, 23
5. Ịdịike nke obi Fero mere ka ọjụ arịrịọ ikpèazụ̀ ahụ, Ọpupu 11:9, 10; 10:27-29

**II Amara Ọkwà Mmalite nke Ememe Ngabiga Nye Ụmụ Israel**

1. Ebe nnapụta site n’Ijipt gaabụ ụdị nnapụta anyị site n’orù mmehie, emere ka ọ bụrụ ụbọchị nke mbụ nime arọ ọhụụ, Ọpupu 12:1, 2; 2 Ndi Kọrint 5:17; Ndi Rom 6:4
2. Agaewezuga nwaatụrụ nke ngabiga ahụ site n’ụbọchị nke iri rue n’ụbọchị nke irinaanọ nke ọnwa ahụ, Ọpupu 12:3-6; I Ndi Kọrint 5:7; Jọṅ 12:1, 12-15; Luk 22:7 13-15; Aisaia 53:7; I Pita 1:19; Nkpughe 5:6
3. Ọbara ahụ gaabụ maka nnapụta ha, anụarụ ahụ gaabụ iheoriri maka idozi ha arụ, Ọpupu 12:7-13; Ọnu-ọgugu 9:12; Jọn 19:33; Ndi Hibru 9:22, 28

**III Edoro Ngabiga Dị ka Ihencheta Ebighị ebi**

4. Chineke gwara ha na ememe ahụ gaabụ ihencheta ebighịebi maọbụ ihe ịgbaàmà banyere nnapụta ha, Ọpupu 12:14; 13:8-10; Deuteronomi 16:1-8; I Ndi Kọrint 11:23-30
2. Chineke nyere ha iwu banyere iji achịcha naekoghịeko; ihe naeko achịcha bụ ụdị mmehie, Ọpupu 12:15-20; Matiu 16:6; Ndi Galetia 5:9
3. Enyere Ụmụ Israel Ndụmọdụ Ikpèazụ̀, Ọpupu 12:21-28

**IV Ikpé Nke Iri, Bụ̀ Ikpé Ikpèazụ̀: Etigburu Ụmụ Niile Eburu Ụzọ Mmụọ N’Ijipt**

5. Mgbe Ụmụ Israel naanọ n’okpuru ọbara, n’etiti abalị, mmụọozi nke náeweta ọnwụ bịara n’Ijipt, Ọpupu 12:29, 30; Ndi Hibru 11:28
6. Fero na ndị Ijipt niile rugidere Ụmụ Israel ka ha laa, Ọpupu 12:31-34
7. “Anapuru” ndị Ijipt ọtụtụ ihe ha nwere nke bụ́ akụ̀kụ̀ ọzọ nke ikpé ikpèazụ̀ ahụ, Ọpupu 12:35, 36; Abù Ọma 105:36-38

**V Ọpụpụ Ahụ Site N’Ijipt**

1. N’ụzọ pụrụ iche nke dị ebube ọtụtụ ndè mmadụ bụ́ Ụmụ Israel rapụrụ Ijipt, Ọpupu 12:37-42; Abù Ọma 78:51-53; Jenesis 15:13-16; Ndi Galetia 3:17
2. Enyere Iwu mbido banyere Ngabiga ahụ, Ọpupu 12:43-51

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

**Ọtụtụ Ịdọakanántị Nke Kwesịrị Ntụkwasị obi**

Ọkpụrụkpụ okwu nke iheọ̀mụ̀mụ̀ a pụrụrị ịbụ amaokwu ahụ anaekwu ọtụtụ mgbe nke sitere n’iheọgụgụ nke iheọ̀mụ̀mụ̀ a: “Mgbe M’huru ọbara ahu, M’gāgabiga unu.” Iheọgụgụ a naegosi otù nime iheotiti ikpèazụ̀ nke dakwasịrị Ijipt na nkewa zuruòkè n’etiti ndị ahụ naefè arụsị na ndị nke Chineke. Ọpụpụ ahụ nke a wetara bụ isi mgbanwe nke ihe niile n’akụkọ nke ndị Israel, na mmalite nke mbà ha. Ugbu a ha enwerewo onweha ịgbaso Jehova n’ụzọ Ọ rọpụtara ha. Anaahụta nke a ngwangwa dịka ụdị nnapụta anyị site ná mmehie; mgbe anyị naamụ kwa banyere ya, anyị ganaahụ́ site n’ọtụtụ ihe mere oji yie òzízí nke Ịgụmadụ n’onye eziomume site n’Okwukwe.

Chineke enwewo ntachịobi n’ebe ndị Ijipt nọ, wee gbalịsieike isite n’ifè arụsị duba ha n’ezi òfùfè; ma ọtụtụ rọọrọ òfùfè ụgha ha. Anyị amaghị òle nime ha mesịrị kwere na Chineke nke Israel. Ọ dị óké egwù Chineke nke dị nime ụfọdụ ha, ma ebe olenaole ndị a jeruru n’isi ná mmehie ha chigharịa ka Baịbụl naekwughị.

Ná mmalite, agwara Fero na Israel bụ ọkpara Chineke, na ọ bụrụ na arapụghị ha, na agaje igbu ụmụ niile nke Ijipt bụ́ ọkpara (Ọpupu 4:22, 23). Fero jụrụ ịñantị, ma Chineke ezigaghị ikpé ikpèazụ̀ ahụ ngwangwa. Kama O ji ntachịobi wee meso Fero. Chineke zikwasịrị Ijipt ikpé iteghete nke dị ntà karịa nke ikpèazụ̀ a ekwere ná mkwà, mgbe Ọ naagbalị ikuziri ha na Ya Onweya bụ Onye nweike niile, na chi ha niile bụ ihe náabụghị ihe, nke náenweghị kwa ike ọ bụla. Ma ha jụrụ ịmụta ihe.

**Nkewa N’etiti Ijipt na Israel**

Otú Chineke si kpuchie Israel site n’iwe nke ikpé niile ahụ bụ ihe dị ebube; n’ihi na ha sọpụụrụ, tụọ egwù, ma rubekwara Ya isi. Iheotiti nke ikpèazụ̀ nke ikpé ahụ bụ iji weta nkewa nke ka nke n’etiti Ijipt na Israel. Atụpụtara ya nnọọ n’ụzọ dị iche na Ụmụ Israel nwere ihe ha gaeme iji gbanarị ọnwụ mgbe mmụọozi ahụ naeweta ọnwụ bịara; ma ọ bụrụ na ha emee ihe Chineke kwuru ha gaenwe mkpuchi Ya. Na mgbe niile ọzọ, ọ dị ka Chineke kpuchiri ha náadịghị ọbụná mgbe ha rịọrọ ihe ndịa; ma n’ebe a achọrọ ka ha gosi okwukwe ha nime Chineke (Ndi Hibru 11:28).

Ihe ikpèazụ̀ a nke mere n’akụkọ Ụmụ Israel ka agaeme ka ọ dị ukwuu riinne nke na Chineke nyere ha iwu ịmalite ịgụ arọ̀ ha site na mgbe ahụ. Na mgbe mbụ ha naagbaso ememe nke ndị Ijipt, mgbe arọ̀ ọhụụ naamalite n’oge oyi n’ọnwa niile nke oge owuweiheubi. Ma ugbu a Chineke chọrọ ka ha wezuga ihe niile o bụla nke gaechetara ha banyere Ijipt, ka ha bụrụ ndị pụrụ iche nye Ya. Chineke adịghị achọ ka ndị Ya naeme dịka ndịụwa, maọbụ yie ha n’ileanya, maọbụ gbasoo mmụọ ahụ nke náachịachị nime ha. Ọ maara na ememe maọbụ omen’ala ọ bụla nke ndị Ijipt bụ́ nke Ụmụ Israel gaachọ idebe, gaeduhie ha site n’ebe Ya Onweya nọ n’ọdịn’iru.

Mmehie adịghị enwe nnọọ mmalite dị ukwuu. Onye náarapụ Chineke adịghị eme nnọọ otú ahụ n’otù ntabianya. Kama ọ naadị ịlaazụ̀ nkentà nkentà nke náeduru ná nkewa n’etiti onye ahụ na Chineke. Ọ bụrụ na mmadụ etinye anya ya n’ụwa, obi ya ganáachọ iheefu ụfọdụ, nke pụrụ ịdị ka ọ dịghị njọ n’onweya, ma ọ gaewere ọnọdụ nke Chineke nweworo ná ndụ ya na mbụ. Ihe ọ bụla nke naewere ọnọdụ Chineke n’obi anyị bụ arụsị; ya mere, isi n’ụzọ a pụọ, n’onweya bụ ụdị ifè arụsị. Arụsị abụghị náání ihe apụrụ ibitụ aka: ọ pụrụ ịbụ otù ụkpụrụ maọbụ òzízí nke mmadụ chèpụtara. Ihe ọ bụla nke náewere ọnọdụ Chineke n’obi anyị, n’oge anyị, maọbụ ịhụn’anya anyị bụ ihe ná adịghị mma; mgbe ihe ahụ naanọgide, ọ gaewepụ anyị site n’ebe Chineke nọ. N’ihi nke a Chineke chọrọ ka ndị Ya nwere onweha site n’ihe ọ bụla nke gaechètara ha Ijipt.

**Ememe Ngabiga na Ịchụàjà**

Ụbọchị mbụ nke ọnwa Abib (nke ya na ọnwa April anyị bụ otù) gaabụ ugbu a ụbọchị Arọ Ọhụụ ha. N’ụbọchị iri nke onwa ahụ, ha gaarọpụta nwaatụrụ nke náenweghị ntụpọ site n’igwè atụrụ ha, nke náagaghị agafe n’otù arọ. Aga edebe nwaatụrụ ahụ iche site n’igwè atụrụ niile ọzọ, wee náenye ya nri rue uhuruchi nke ụbọchị irinaanọ, mgbe aga egbu ya.

Ụbọchị ndị Ju naamalite na mgbe anyanwụ naada, ọ bụghị n’etiti abalị, akụkụ mbụ nke ụbọchị ha bụ mgbe anyasị anyị. Mgbe ọgwụgwụ ụbọchị ha bụ ehihie nke anyị ha naakpọ kwa ya **anyasị .** Anaegbu nwaatụrụ ahụ n’oge ọgwụgwụ nke mgbe anyasị nke ụbọchị nke irinaanọ, anaeme kwa ememe ahụ mgbe arụsịrị nwaatụrụ ahụ n’ọkụ, nke náadị rue **anyasị** nke ụbọchị nke irinaise nke ọnwa ahụ. Ndị náamụ ihe banyere usoro ihe mere na Baịbụl kweere na Ngabiga nke ikpèazụ̀, mgbe ahụ akpọgburu Jisọs n’obe, dabara n’otù ụbọchị nke izu ahụ nke edebere Ngabiga nke mgbe ochie ahụ.

**Nwaatụrụ nke Chineke**

Ọ dị ihe ịmaatụ nke náewuli obi dị n’etiti nwaatụrụ Ngabiga Ukwu ahụ, bụ́ Jisọs Kraist (I Ndi Kọrint 5:7; na Jọn 1:29). Jisọs mezuru Ngabiga ahụ site n’ọtụtụ ihe mere na mgbe ha kwesịrị ime, nke náapụghị ịbụ na ha mere site ná ndapụta maọbụ na ha mekọrọ ọnụ site ná ihe ndabà. Ọ bara na Jerusalem ná mmeri mgbe Ọ naanọkwasị n’elu ịnyịnyaibu, iji mezue ụdị nwezugaichè nke nwaatụrụ ahụ n’ụbọchị nke iri nke ọnwa ahụ. Ya na ndị náesoụzọ Ya, bụ́ ndị Ọ hụrụ n’anya, nọkọrọ n’ụbọchị niile nke náesote. Ọ nwụrụ n’otù oge hour ahụ anaeji egbu nwaatụrụ ngabiga, wee náemezu ụdị nke Testament Ochie ahụ n’ụzọ dị ebube; ọ bụghị n’ihi ọnyá mmadụ tipụtara Ya, n’ihi na ọ tụrụ ndị agha ahụ n’anya mgbe ha chọpụtara na Ọ dịghị ndụ dị kwa nime Jisọs, nke náegosi na ọnwụ Ya bụ ọnwụ anwụrụ n’ike.

N’ezie Jisọs bụ Nwaatụrụ náenweghị ntụpọ maọbụ ọlụ. Ọ dịghị otù nime ọkpụkpụ Ya nyajiri anyaji – mmezu ọzọ nke amụma na ụdị. Ọ nwụrụ ka anyị wee nwere onweanyị, wee zụtara mmadụ niile mgbapụta, bụ́ ndị gaelezi anya ịhụ́ na Ọbara ahụ batara nime obi ha.

Jisọs na ndị náesoụzọ Ya rikọrọ Ngabiga tupu ọnwụ Ya. Nke a mere n’ụbọchị ahụ nke Chineke doro dịka ụbọchị ziriezi iji gbue ma rie Ngabiga ahụ. Iwu ahụ ekwughị nnọọ oge nke ụbọchị mgbe agaeji rie Ngabiga ahụ, dịka anyị si mata; ụfọdụ ndị Ju naebugharị ememe ahụ n’isi ụtụtụ nke ụbọchị ahụ mgbe ụbọchị nke irinaise ahụ, maọbụ Ụbọchị izuike Ngabiga ahụ, danyere n’ụbọchị izuike nke izù. Ha naeme nke a iji mee ka idebe Ngabiga na idebe Ụbọchị izuike nke izù ghara ịdakọ ọnụ.

Na Kraist riri Ngabiga tupu ụfọdụ ndị Ju erie nke ha ka anaegosi n’Oziọma nke Jọn dị nsọ dere (Jọn 18:28). Na nke a bụ kwa dịka Iwu si dị pụtara ìhè n’ihi na Jisọs naedebe ihe ọ bụla edere n’Iwu, na ndị náesoụzọ Ya kwenyere mkwenye zuruòkè, otùaka ahụ ha egosighị mgbagwojuanya ọ bụla banyere oge ahụ nke arọpụtara.

**Mgbe Mmụọozi Náeweta Ọnwụ Bị ara**

Agaewepụ ihe niile náeko achịcha site n’ụlọ niile nke ndị Israel. Eji ezi nleruanya mee nke a, nke mere na elebaraanya nkeọma n’akụkụ niile nke ụlọ tupu amalite iri nri a. Ihe náeko achịcha na mgbe Testament Ochie bụ ụdị mmehie; ebe ọ bụ na Ngabiga bụ ụdị ịgụ anyị ná ndị eziomume site n’okwukwe, anyị na ahụ otú ịsachapụ ihe

naeko achịcha si nwee ọnọdụ zuruòkè n’ememe a, n’ihi na onye mmehie gaeburu ụzọ si ná mmehie ya chigharịa rapụ kwa ya, ma ọ bụrụ na ọ chọrọ ịnata nzọpụta (Aisaia 55:7).

Mmụọozi ahụ nke náeweta ọnwụ gabigara n’ala Ijipt n’etiti abalị wee tigbue ụmụ niile eburu ụzọ mụọ bụ́ nke mmadụ na anụmanụ. Ma mgbe mmụọozi hụrụ ọbara ọ naagabiga ụlọ ahụ wee rapụ ndị niile bi nime ya. Ọbara ahụ nke dị nime nwaatụrụ maọbụ nime ọkwá abaghị urù nye ha rue mgbe eji ya mee dịka Chineke kwuru. Ebemgbabà anyị mgbe agaawụkwasị ndị mmehie óké iwe nke Chineke pụrụ ime ihe niile, bụ n’okpuru Ọbara ahụ. Aghaghị itekwasị ya n’ọnụụzọ -- n’obi anyị -- tupu ya alụọ ọlụ

Na mbụ Jehova kwuru okwu, ma ugbu a, O tigburu! Ebube nke èzínaụlọ nwụrụ. Ndịisi na ndị arọpụtara nke mba ahụ ka ebipụrụ -- ịmamma nke ndịagha, ndịnketa nke ndị ọgaranya, na olileanya nke ndị ogbenye, ha niile nwụrụ n’etiti abalị. Fero etigbuworị ndị bụ́ ụmụ mbụ nke Chineke, Jehova wee kwụghachị ya n’iru ya. N’ezie, “Ọ bu ihe dị egwù idaba n’aka Chineke di ndu” (Ndi Hibru 10:31).

Akụkọ ụwa na nchọpụta nke ndị náachọpụta ihe ochie site n’igwuwasị ala naeme ka óké ihe ọjọọ a nke mere bụrụ ihe náeguzosiike. N’ebe ngosi ihe banyere ndịeze nke anaakpọ Royal Museum nke dị na Berlin, enwere ebe akpụrụ Fero ahụ nke echere na ọ bụ ya dị ndụ n’oge Ọpụpụ ndị Israel, n’ụdị dị ukwuu ya na nwa ya nwoke bụ́ onye gaeketa alaeze mgbe nna ya nwụsịrị. Ọ dịghị ihe dị ukwuu amaara banyere nwa ya nke a, nwanne ya nke ntà wee bụrụ eze. Ihe dị icheiche edere na nkume, ka ahụwokwara nke náegosi ihe mmekpaarụ dị icheiche nke mba ahụ hụrụ na mgbe eze Fero ahụ naachị, na kwa ọkpara ya nke nwụrụ n’ụzọ anaapụghị ịkọwa. Ihe ndịeze mgbe ochie ndịa naeme bụ idepụta náání mmeri ha niile, ma rapụ mmeri emeriri ha náekwughị banyere ha ná ndepụta akụkọ ihe mere, ya mere náání ndepụta akụkọ olenaole fọdụrụ; ma ndị ahụ nke náadịgide naegosibiga ókè na ihe ekwuru n’akwụkwọnsọ bụ eziokwu.

**Otù Mba nke Amụrụ N’etiti Abalị**

Ndị Ijipt hụrụ ihe n’abalị ahụ bụ́ nke náenweghị àtụ̀. Ihe dị ka nde mmadụ atọ, ha na igwè ewu na atụrụ na ehi ha, malitere ijè wee rapụ. Óké ọpụpụ a ka emere ka ọ bụrụ ihe pụrụ iche n’ihi na ọtutụ ndè mmadụ ndịa ka eji aka ebube nke Jehova dupụta. Náání ọlụaka Chineke pụrụ ijikọta nke a wee mezue ya -- gụpụkwarị igbozù mkpà igwèmmadụ dị otú a n’ọzara ebe ihe dị mkpà idebe ndụ náadịghị.

Ọnụọgụgụ mmadụ ndịa dị ukwuu. Ma ọ dịghị otù onye nke nọ n’ụlọọgwụ, ọ dịghị otù eji ụgbọ ambụlans bute, maọbụ nke náeje nsụkwaraachị n’àzụ̀.Ogbenye na mmegbu pụrụrị ime ka ha ghara ịdịike, ma Chineke agwọwo ha. Ọ dịghị nrịanrịa ọ bụla nke Ijipt ha buuru. Nke a naezi anyị na mgbe ọ bụla Chineke kpọrọ anyị ijé ebe ọ bụla, Ọ gaeme ka anyị zueòkè n’ijéijè ahụ. N’ụzọ ijè nke ndụ, anyị gaadị ike dịka ụbọchị anyị ra.

Ọpụpụ ahụ site n’Ijipt mezuru narị arọ anọ na iriatọ (430) nke ijè ahụ malitere mgbe emere ọgbụgbandụ ahụ Chineke na Abraham mere (Ndi Galetia 3:17). Site ná mbata Abraham batara na Kenean, na inye ọgbụgbandụ ahụ, rue na mgbe Jekob jere n’Ijipt n’ihi ọkpụkpọòkù nwa ya bụ́ Josef kpọrọ ya, bụ narị arọ abụọ na iri na ise (215). Jekob na ụmụ ya nọ n’Ijipt arọ 215, nke mezuru narị arọ anọ na iri arọ atọ (430) nke ekwuru n’iheọ̀mụ̀mụ̀ anyị.

Ụmụ Israel si n’Ijipt pụọ dịka ndịmmeri n’agha, ndị nwere mmeri site n’ike nke Chineke ha bụ́ Jehova. Ha bịararị n’Ijipt dịka ndịọ̀zụ̀zụ̀ anụụlọ náadịghị ọtụtụ n’ọnụọgụgụ bụrụ kwa ndị emere ndịorù dị ala n’oge ha nọ n’ebe ahụ; ma ha ji àkụ̀ dị icheiche nke Ijipt bụrụ ọgaranya mgbe ha naarapụ, bụ́ nke enyere ha dịka ụgwọọlụ kwesịrị ekwesị site n’aka ndị Ijipt náání na ha rịọrọ. Ezipụrụ ha, ma ọ bụghị mgbe ha natasịrị ihe iringo, bụ́ nke náeweda n’ala site n’ime otú ndị Ijipt chọrọ, kama ha weere ihe niile ahụ ha chọrọ na mbụ, n’ihi na ha ñara Chineke nke Eluigwe ntị wee chéré oge Ya onweya gaeji nápụta ha.

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Kpọọ aha ikpé maọbụ iheotiti iri niile, emere ka ha bịakwasị Ijipt.
2. Fero ọ̀ matara mgbe ezigara ikpé nke mbụ, na ọjụjụ ọ nọgidere náajụ ịña Chineke ntị gaabịarụ n’ikpé nke iri a?
3. Òlee ndị agụpụrụ site n’ikpé nke iri ahụ?
4. Kọọ ihe ị maara banyere iwu nke Ngabiga ahụ.
5. Gịnị ka ị gaasị na ọ bụ amaokwu naewepụta isiokwu nke iheọ̀mụ̀mụ̀ a?
6. Òlee mkpuchi anaenye anyị n’okpuru Ọbara Kraist?
7. Ugbò ole ka aganaeme ememe Ngabiga ahụ?
8. Gịnị bụ ebumn’obi eji eme Ngabiga ahụ?
9. Òlee ihe Ngabiga ahụ bụ ụdị ya?
10. Gịnị ka ihe náeko achịcha ahụ bụ ụdị ya?